# *Ke ọnye bụ Jizọs?*

*‘ ‘Anyị adịghị ekwusa ozi oma n’ọnwe anyị, kama Jizọs Kraịst bụ ọ’nye nwe anyị, na anyị ka ndị ọru gị…’*

*2 Ndị Kọrịnth 4:5*

*Peter Walker*
**www.1peter1three.weebly.com**

*Enyere m gị akwụkwọ nta a, ọnye na agụ ya. Daalụ maka ikwe ka m kọọrọ gị gbasara Jizọs Kraịst.*

*Enwe'm ntụziaka ọ bụla n'ime Bible,na ebe'm huzọ n'ọtụtụ ọkwu ọ kpukpe. Mana, abụ'm ọnye n'esọ Jizọs, ahụkwara m Akwụkwọ Nsọ n'anya. Kwe ka m kọọrọ gị ụfọdụ echiche…*

## Ọkwu mbido:

**Ọ wụrụ na ị na ajụ ajụjụ a – ‘Ke onye bụ Jizọs?’ – ị nọ n’ebe dị ịtụnanya n’ezie!**

Ị nwere ike n’we Chineke iwe, ma ọ bụ ịkwereghị na Chineke n’ọge a. Ma ọ bụ ị kwere na Chineke, mana e merụrụ ahụ. Ma ị bụ ọnye na kpi isi na ala, ọnye Hindu, ọnye Bụddha, ma ọ bụ ọnye ọkpukpe ọzọ. Ị nwere ike ịnọ n'ebe dị iche kpam kpam, nke ị nweghị ike ịkọwapụta ... N'agbanyeghị, enyi m, otu one mmegi na obi ma ọ bụ ebe ị nọ, Chineke nke Akwụkwọ Nsọ - site na nke mbụ ruọ n'akwụkwọ ikpeazụ - na nabata gị, ọ na ' na arịọ' ka ị jụọ sị: 'Ke onye bụ Jizọs?'

Ị nwere ike ịnwe ọtụtụ ajụjụ ndị enweghị m ike ịza. N’ezie, n’ime akwụkwọ nta a, a na m abịakwute gị naanị dị ka ‘onye kwere ekwe’ n’ime Jizọs, na a’gwakwa gị echiche m. Ebe m si enweta bụ okwukwe m, Akwụkwọ Nsọ, na Mụọ nke Chineke.

Ekwere m na Akwụkwọ Nsọ –Nchikọ ta nke ‘Akwụkwọ’ 66 ma ọ bụ ndeputa– shi na okwụ Chineke. Dika ihe ọ bụla di mma ma ọ bụ 'eziọku', Enwere ike ighọtahiehie Akwụkwọ Nsọ, ejiri ya n’uzo di mma na enwere ike inwe obi abuo. Agbanyeghi, mmejọ nke mmadụ n’eji Akwụkwọ Nsọ n’eme, ọ nọ gịde ka isi ihe kwesiri ntukwasi obi nke chineke maka ọnye na achọ eziọkwu. O umu Nwọke 'agughi' akwukwọ dere ya, ọ nwere ike idi m’fe igu. Chineke ezọ narighi ọnwe ya n’ime Akwụkwọ Nsọ, ọ kpughere ọnwe ya nye anyị.

Ka m banye ugbụ a nye gi echiche m banyere ajuju a di mkpa: '**Ke ọnye bụ Jizọs?'**

## ***Ke ọnye bụ Jizọs?***

Akwụkwọ Nsọ kuziri anyị na Jizọs Kraịst– nke putara na 'na azọ puta'– bụ Chineke na udi madu. Chineke siri n'eluigwe gbadata ka ọ bụrụ madu, ka anyị we mara Chineke nọ nweya, na iwe nwekọ na Chineke.

Jizọs bụ Chineke 'n'anu ahu'. O biara igbaghara anyị mmehe, na inye anyị ndu ebie ebi. Nka bu *'ọnye'* Jizọs bụ, na 'ihe mere' ọ ji bia.

***Mkpughe:***

Akwụkwọ Nsọ nọ nwe ya na agwa anyị na nke a bụ eziọkwu a na apụghị ị wota, nke a na-apụghị ịghọta aghọta,  anyị enweghị ike 'ị wọta' eziọkwu a - na Chineke batara n'ụdị mmadụ iji zọpụta anyị. Anyị enweghị ike 'ị wota' nke a! ọ  bụrụ ọke ibụ nebe anyị! Ee, Akwụkwọ Nsọ gwara anyị na eziọkwu a - eziọkwu dị ebụbe—e meghị ya ka ọ dabara n'uche anyị!

A gwara anyị na eziọkwu nke a bu nke Chineke - Jizọs Kraịst - bụ 'Mmụọ na Eziọkwu', na abịakwute anyị ọ bụghị site 'nghọta' nke uche, kama site 'mkpughe' na mmụọ anyị, n'ime ọ bi anyị.

Ọ bụrụ na ị - dị ka m na ọtụtụ ndị - gbalịa 'nweta' Chineke, ma ọ bụ dabara ya na uche gị, ọ we ike ibu ihe siri ike ikwe ka mmụọ na obi anyị were ọ che ụgbọ. Ma ị maara, enyi m, ihe ni'ile dị oké mkpa na ndụ gi n'bua - ndị enyi, ezinụlọ, nwuri, ịhụnanya, udọ , mgbaghara, ebere - ihe ndị a abụghị 'eziọkwu' nke uche, kama nke obi na mmụọ. N'ezie, n'ọtụtụ ọnọdụ, anyị kwere ka uche anyị, nghọta anyị mmeru ahu anyi ma ọ bụ mebie 'eziọkwu obi', ma ọ bụ mmekọrịta. **Ọ dịtụla mgbe i kwela ka 'isi' gị merie obi gị, wee malite ịkwa ụta nke a?** O bụrụ na Chineke dabara n'ime ọ bere uche m ma ọ bụ na 'nghọta' m na enueghi atu, ọ ga bu Chineke di ntakiri

Akwụkwọ Nsọ gwara anyi na, Chineke bu muọ, na ndi na efe ya ge efe ya n'ime mmụọ na eziọkwu. Jezọs ọnwe ya kwuru gbasara okwu na mkpughe ya na, 'ọkwu mu bụ mmuo na ndu'

**I nwetela eziọkwu nke Jezọs di ka ihe kariri uche gị, mana ona ku aka na uzọ nke obi gị?**

***Ọzi nke Krajst:***

Ọ bụ ihe na dọrọ mmasị ọ tú Jizọs si n'arịọ ndị mmadụ maka 'nkwenkwe ha'. Ọ bụghị egọ ma ọ bụ aku na uba o siri oge nye. Ọ biaghi enye ọziza ajuju dabere na nka mmuta ọ kpukpọ .Ọkwuru ihe di ka 'ọnwe *ọnye akpirina akpọ nku? Ya biakute'm nwuo… ọnye ọ bụla nke kwere na mu, miri nke di ndu geshi n'ime ya neru*.' Jizọs juru ma 'akpiri' na akpọ anyị nku na kwekwara anyi nkwa 'mmiri di ndu'. Nke 'agbaghi' ego nke ubọchi anyi, nke a 'agbaghi' n'uche anyị. Ma na ọ dabara n'ime mkpuru obi anyị ma nye ihe anyi chọrọ gbasara ihe ọzọ .

***Ajuju a nke Jizọs – 'mmiri ọna gu gị? – na atughari na mpuru obi gị?***
Ma ọ bụ, dika Jizọs tughariri gakwuru ndi mmadụ a nwe juọ si ' ọnwe ọnye ike gwuru?' ọnwe kwere nkwa 'ezumike' nke udi iche.

Jizọs ruru ọru ebụbe, ma ọ nwere ọtu nzube puru iche maka ọru ebụbe ya. Ọtu ọge Jizọs gwara ndi mmadụ na ihe mere ọ ji naru ọru ebụbe bu ka anyi mara na onwe ike igbahara mmehie. Ọ meghi ọru ebụbe nani ime ndu ufọdi di mma, ruọ nwa ọge. Ọ mere ya ka anyi we fu ike ya igbaghara anyị mmehie, na 'deekwa aha anyị n'eluigwe'.

***Ke ihe bu ọzi ya? Kedu ọtu m ga esi nweta 'ndu a', 'izu ike a', 'mmiri ndu a' n'ime mkpuru obi'm?***

Ọ nebe ọzi Jizọs ge we ndu n'uzọ nkiri na ọnwe gi...

Jizọs siri 'Ọ mua bụ ọnu uzọ, ọnye ọ bụla nke si m puta,a ga zọputa ya ' Jizọs akuzighi ihe banyere Chineke; Jizọs <u>kporo anyi ka anyi bia onwe ya ka anyi </u>mata Chineke. Ihe kachasi ọmimi na ndu gị ugbụ'a bụ mmadụ , ọ bụ ghi ihe ma ọ bụ echiche. Chee echiche banyere ya maka ọtu nkeji.

***Kedu ihe di gi ọke mkpa ogwugwu nke ubọchi?*** Ekwela gị nkwa nọ bụ mmadụ. Chineke bụ ọtu a. Eziọkwu nke Chineke kachasi - bụ ọnwe ya. Ihe mere ọ ji buru nwọke bụ ka mu na gi nwere ike ihu ya, metu ya aka, marakwa ya. N'ezie, ọtu aha ha n'yere Jizos bu 'Immanuel' nke putara "Chineke nọ nyere anyị.' Jizọs – Chineke di ka mmadụ– biara ka ọnwe nọrọ anyị ugbụa na ruọ mgbe ebie ebi.

***I chori mara Chineke n'ọnwe gị?***

***Nkwenye:***

Jizọs gwara anyị ka anyị *'kwere'* n'ime ya. Nka bụ ọku ọkpọrọ ya mgbe ya na ndi mmadụ nọ n'ezie, ha pukwara ihu ya. Ọ bụrụ na ha nwere ike ihu ya, gịni mere ihie ni'ile a na ekwusi n'ike na 'ikwere' ya? Ihe abụọ na dakwasiri'm n'ihe gbasara 'ọ kwukwe':

1. ***Ezibọ enyi kwere na gị!***

   Ị nwetụla onye a na akpọ 'enyi' nke na-abụghị nke gị? Ọnye'a na ahu ma mara gi, ma na amatukwa gi mgbe ọ bụla I nọ; gin a ọnye'a nwere mmetọrita mana ha 'ekwenghi' na gị. Ha emechiala ọtu akuku nke obi ha na'ebe e nỌ. **I nwere ike imetuta mmetuta a ahu, ma'a na mmekọrita**?

   Jizọs bịara - Chineke n'anu ahu - ka ọ nọ rọ *'nyere anyị'*. Aha ya, Emmanuel, pu tara, '*Chineke nọ nyeere anyị'*.[1] Jizọs achọ ghi na'ani ka i mata ya; ọ biara nwee ihunanya, mmekọrita ọ kwukwe na gị. *Ikwere n'ebe anyị nọ bụ isi ndu nke ezi ọbụbụ enyi.*

   Jizọs siri,*'apọrọ'm gị enyi'm'*. Jizọs kwuru na ọ dighi uzọ ka enyi ga gọ si ihunanya ya kariri nye ndu ya n'aja maka enyi ya.[2]

2. ***Ihu abụghị ikwere!***

   Mbe Jizọs nọ n'ụwa, ọtutu ndi mmadụ hụrụ ike ya, ma ha ekwenghi na ya. Ma gi di ka m, I na achọ mgbe utọ du ma ọ bụ ọ bụna na ekwu ọ *"bụrụ na m nwere ike 'ihu' Jizọs nezie..."* Eziọkwu bụ na – ọtutu ndi – hụrụ ya n'anu ahu ma ọ hu oru ebụbe ya, ekweghi na ya. Ọtutu mgbe, n'ezie, mgbe ọ mere ọru ebụbe, ndi mmadụ tughariri *megide* ya. N'kpeazu, ọnye ọ bụla nke 'hụrụ' ya – ndi nu ru ya, sọ rọ ya na eje ije, na emue mmasi n'ihe iriba ama ya na ọke ọru– ma na agba izu megịde ya ma ọ bụ gbaha ya. Egbụrụ ya n'oku ututu n'etiti ndi ni'ile 'hụrụ' ya.

   Ya mere, Jizọs kpọrọ anyị ka anyị 'kwenye', ka anyị nwee '*ọ kwukwe'*, ọ bụghị ka 'anyị hu uzọ'. Mgbe mmadụ hụrụ ya, ọ gbụrụ ya. Anyị enwghi ike itukwasi ọnwe anyị obi I sọro – na eguzo nye- ihe anyị nahu n'anya anyị. Anyị nwere ike na eguzọ si ike n'ihe mọ ọge ufọdu, dọ ka ndi na esọ usọ Jizọs mere, ma mgbe ufọdu anya anyị, uche anyị, obi anyị, ga eweda anyị ala ma anyị agaghi e soro ya. Anyị nwe ike i'megịde ihe ahu anyị hụrụ ma hubụrụ n'anya.

---

[1] Isaiah 7:14/Matthew 1:23

[2] John 15:13-15

Jizọs gwara Tọmas, ọnye n’esọ ya '*ngọzi na diri ndi kwere, ma ha hughi'.*

N'ụwa, Jizọs chọrọ ka anyị jiri anya nke obi anyị ‘hu’, na kwere- ya bụ inata, na esọ, rube isi, na efe ọ fufe. Jizọs chọrọ ka gi na ya nwee ezi mmekọrita, ọbụbụ enyi! Ọtu ubọchi anyị ga banye n’ime ebube, ebe anya anyi ga di ọcha na obi anyị guzọ rọ ọ tọ, anyị ga-ahukwa ya *'iru na iru'*. Ma u'gbụ a, ọku’a bụ ọ kwukwe.

***Ọ di gị ka I ne ji anya obi gị na ahu Jizọs?***

**<u>Aku:</u>**

**Gịni mere Jizọs ji si ike 'ihu' na ikwere? Gịni mere na uwa ni'ile anughi banyere Jizọs ma kwere?**

Mgbe m guru Akwukwọ nsọ, ọtú Chineke si aru ọru turu'm n'anya. Site na mmalite ọge, n'agbanyeghị na Chineke huru ọnye ọ bụla n'anya nọ tu aka ahu, ufọdu 'maara' Chineke, ma ufọdu amaghi ya. Nke'a bụ na ọgaghi ekwe ọ mume anyị iwọta, chọputa, i'kọwa.

Ọtu'a ka ọdikwa mgbe Jizọs jere ije n'ụwa, kwusaa ọziọma ma ruọ ọru ebụbe. Ufọdu we da n'ala ukwu ya na si 'Ọ gị bụ Ọnye eze!' Ndi ọzọ ledara ya anya, na akwara ya emọ ma na ama ikike aka ya. Kedu ka nke a ga esi bụrụ? Ọ lee ọ tu ọtu ọnye ga esi lekwasi Kraịst anya we hu Chineke, ma ọnye ọzọ lere Kraịst anya n'ọtu ọge we hu naani mmadụ? Enwe'm ike ikọwa nke a!

Ihe m'huru na ndu na nkwuzi nke Jizos bun a o na gosi onye ya na uzo di miri na jụụ! Mgbe mmadụ 'hụrụ' n'ezie Jizọs maka ọnye ọ bụ - 'Chineke nọnyeere anyị' - mkpughe ahụ ruru n'obi nke ọnye ahụ, wee gbanwee ha ruọ mgbe ebie ebi. Ma n'ihi na mkpughe nke a dị ọ mimi ma dị ọcha ma dị jụụ, ọ na agafe ọtụtụ n'ime anyị n'enweghị a hụ ya. A na adọpụ anyị uche site n'ọké mkpọtụ na ọchịchọ dị n'elu nke ndụ, na ihe ọ mimi nke Chineke dị nnọọ asọfe anyị.

Jizọs tụrụ ilu dị nnọọ mkpirikpi iji gọ si eziọkwu a. Ọ si, 'Ala eze eluigwe di ka àkù nke elìri n'ubi. Mgbe ọtu nwọke chọtara ya, ọzọrọ ya ọzọ, ma n'ọṅụ ya ọ gara ree ihe ni'ile ọ nwere wee zụta ala ahụ.' [3]

**I na eche na Jizọs bụ aku di ọké ọ nu ahia i na amalite ihu, ma nke ọtutu ndi gbara gị gbụrụgbụrụ na apughi ihu ụzọ** ?

---

[3]Matiu 13:44

***Ọbara:***

Akukọ banyere Jizọs dị itunanya! A gwara anyi di ka Chineke, ọ biara naputa anyị ná mmehie anyị, bụ́ 'ntupọ' anyị. I mara, nke kachasi njọ nke mmehie anyị na ahapukari uzọ ọ bara. Ọbara, bụ isi iyi ndu mmadụ, na awụfu ebe a na eme ihe ike, ebe a na emegbụ mmadụ, ebe ihe ọ jọọ dị, ebe ọ nwu dị. Anyị ni'ile nwere ya n'aka anyị, ma ọ bụ ọ zugbọ ma ọ bụ na aputaghi ihe. Anyị bi n'ụwa nke e ji ịgba ọ hu na mmegbụ emegbụ, anyị ni'ile akwafuwọ kwa ọbara, ma ọ bụ rie ihe ndi e zuru ezu nke na efu ndi mmadụ ọbara ha. Ọ bụ eziọkwu na adghi ahukebe mana mwufu ọbara bụ isi nke ọ chichiri uwa anyị, na nkewapu anyị na Chineke.

Ya mere, Jizọs biara, ọ chọro inaputa anyị na mmehie na ọ chichiri a. Ọ chọrọ inaputa anyị n'ihe ọ'jọọ anyị tara ahuhu na ihe ọ'jọọ anyị mere. Ọ chọrọ igwọ ma weghachi mkpuru obi ọ bụla, obi ọ bụla, na ọ bụna ala anyị bi na ya. A gwara anyị na Jizọs meghere uzọ maka mgbaputa na mgbaghara n'ụzọ ime Mmụọ a di egwu: ***Jizọs weere mmehie anyị banye n'ime ahu nke ya, wee sọ rọ ya nwuọ .*** Ọtu amaọkwu na Akwukwo nso kwuru ya ọtú'a: 'Ọ ghọrọ mmehie n'ihi anyị'.*'* [4]

Jizọs weere ikpe ọmuma'm na ihere ọnwe ya, wee nwuọ na ya. N'ibụ ọnye nwuru na mmehie m, Jizọs si na ndị nwụrụ anwụ bilie, ma mmehie'm esọghi ya laghachi. Dị ka a puru isi kwuọ ya, ọ hapụrụ mmehie ahụ ni'ile. Jizọs weere mmehie'm, sọ rọ ya nwuọ , were naanị mgbaghara na ndu ọ hụrụ biaghachita.

Amaọkwu dị ike na Akwụkwọ Nsọ na akọwa ya ọtu'a: Ọbara Jizọs 'na ekwu ọkwu dị mma' karịa ọbara nke mmehie anyị.

N'ihi nke'a, mgbe anyị kwere na Jizọs ma nabata mgbaghara ya, anyị na enwe ekele maka ọbara nke aja ya, maka ọbara Jizọs.

***I chọrọ ka ewere ọbara ya sachaa gị?***

---

[4] 2 Ndi korinth 5:21

**Mmọ u:**

Jizọs di ndu! Ọ bụ anu ahu, ọ n'okwa n'eluigwe. Ọtu ubọchi i nwere ike izute ya *'ihu na ihu'*.

Ma mgbe Jizọs na agwa ndị na esọ ya na ọge na adịghị anya ọ ga esi n'ụwa pụọ gaa eluigwe, ọ gwara ha na ha kwesịrị ịwụrị ọṅụ - o buu nke ha ghara inwe mwute- n'ihi na nke'a pụtara na Mmụọ Nsọ ga-abịakwute ha, ga abụ ni'ime ha.[5]

Ị hụrụ na mgbe Jizọs nọ n'ụwa, ọ bụ naanị mmadụ. Ọ bụrụ na Jizọs nọ n'ọtu ọbọdọ, ọ pụtara na ọ nọghị n'ọbọdọ ọzọ. Ọ bụrụ na Jizọs na atụkwasị aka udọ n'ahụ́ mmadụ, ọ pụtara na ọ naghị etinye aka udọ n'ebe ọnye ọzọ nọ. Ọ nọ n'ụdị mmadụ, ya mere ọ ke na ọ here na ọge dịka anyị dị.

Mgbe Jizọs rịgọ rọ  n'eluigwe, a wụkwasịrị nnọọ mmụọ nke Jizọs, bụ́ *Mmụọ Nsọ*, n'ụwa ni'ile. Nke'a pụtara na ọtu ọnye na udọ nke Jizọs nwere ike ịdị n'ime ọbọdọ ọ bụla, na n'ọbi na ebe ọ bibi nke ọnye ọ bụla, n'ọtu ọ ge ahụ. Ọ pụtakwara na Jizọs nwere ike ibi n'ime anyị, ọ bụghị naanị ịga n'akụkụ anyị.

Ugbụ'a Jizọs ejechaala ọzi ya n'ụwa - ịnwụ na ebilite ọzọ, inye anyị mgbaghara na ndụ ebie ebi- ọ na ebi n'anụ ahụ́ n'eluigwe. Anyị na ya jikọọ ugbụ'a site na Mmụọ Nsọ.

Mgbe anyị kwere na Jizọs, ọ na-abịakwute anyị site na Mmụọ Nsọ ya, na-ebikwa n'ime ọ bi anyị, mkpụrụ ọ bi anyị, mmụọ anyị - Chineke na anyị.'

***Ị chọrọ ikwere na Jizọs, ma nwee Mmụọ Nsọ ya n'ime ọbi na ndụ gị?***

[5] Jon 14:17,26,28

***Òkù:***

Jizos siri, '*Mu n'ọnwem bụ ọnu uzọ, ma ọ nye ọ bụla nke nēsi n'akam puta, agāzọputa'.'* (Jọn 10:9)

***I chọrọ ikpọ Jizọs n'ime obi na ndu gị ugbụ'a?***

Nke'a bụ mkpebi ime mmụọ, na inye Jizọs ndụ gị, ị ga enweta mgbaghara nke mmehie gị, na ndụ ebie ebi. Ọge ị matara Jizọs, ị nọ n'ụzọ ọhụrụ, na nke na *'enwu enwu ruọ mgbe ìhè zuru ọke'* (ilu 4:18)

Nke'a bụ ọtú ị nwere ike isi gafee àkwà mmiri ugbụ'a site n'ọnwụ gaa ná ndụ, marakwa Jizọs Kraịst. Enwere isi ihe abụọ ige 'mme'. M'debere ihe ndị'a nọ kpuru ebe'a, ma edewọ m ekpere ị nwere ike ịgụ na 'kpee' site n'obi gị:

1. ***Nchegharị nke Mmehie:***
Ị kwesiri icheghari na mmehie gị. Ee, nke'a bụ nzọụkwụ siri ike, ma o nke Jizọs kpọrọ gi mme. Ọ dịgị mkpa ikpebi ugbụ'a na Chineke nyere gị aka ga esi na mmehie di na ndu gị -chigharia ihu egọ n'anya, agu, anya uku, akwụwaghị aka ọtọ, iri ahụ, ịkwa ikọ, ikiri ihe gba ọtọ

   Nchegharị nke mmehie bụ 'mkpebi nke obi', na ka ọge na aga, ekwesịrị ịhụ ya na ndụ gị na n'ụlọ gị. I nwere ike inwe ihe ndị ị ga ebipụ, kparịta ụka, tụfuọ, gbanyụọ, nyefere…Ọ bụrụ na ị kpebie ugbụ a icheghari, ma tụgharịa (nke bụ ihe nchegharị pụtara), ị na eche ihu n'ụzọ ziri ezi maka nzọụkwụ ọzọ a.

2. ***Ọ kwukwe na Jizọs Kraịst:***

   Anyị tụlere n'elu mkpa na eziọkwu nke nkwenye na ọ kwukwe na mmekọrịta ọ bụla. Jizọs kpọrọ anyị ka anyị 'kwere' na ya. Jizọs kpọrọ anyị ka anyị were nzọụkwụ ọ kwukwe a, ma kwupụta n'ọ lu dara ụda nke ọ kwukwe na ya. Edela'm ekpere ebe n'ọkpuru ka ị wike mee nke gị. Ekpere ga esi n'ọbi gị bilie, ga abụrịrị ezi ọbi.

   Ọ bụrụ na i cheghariạ na mmehie gị wee tinye ọ kwukwe na Jizọs Kraịst, n'ọge a ọ ga etinye Mmụọ Nsọ ya n'ime ọbi gị, gbaghara mmehie gị, deekwa aha gị n'eluigwe!

   **Ekpere :**

   ***Ezigbọ ọ nyenwe anyị Jizọs, a'nam ekele gị maka ịhụ'm n'anya. Ana'm ekele gị maka ịnwụ maka mmehie m. Ana'm ekele gị maka ịgbaghara'm na ndụ ebie ebi.***

   ***Taa ka m cheghariri site na mmehie m, ma tinye ọ kwukwe m na ntụkwasị ọbi na gị. Ana'm ariọ gị ka ị gbaghara mmehie m, wụsakwa Mmụọ Nsọ gị n'ime m.***

   ***Daalụ, ọ, Onye nweanyi, maka ịgbaghara m. Daalụ, Ọnye nweanyị Jizọs, maka ịzọpụta m. Nyere m aka ugbụ ka'm kwesị ntụkwasị ọbi, na esọ kwa***

***gị ụbọchị ni’ile nke ndụ m, ruọ  mgbe m ga ahụ gị ihu na ihu. N'aha Jizọs ka’m na ekpe ekpere, amen!***

***Ndu ọhụrụ:***

Ọ bụrụ na ị na-a nzọụkwụ nke ọ kwukwe na Jizọs, ị na azọpụta! Agbagharala gị! Ị bụ ọkike ọhụrụ. Nke’a bụ eziọkwu nke Chineke. Nke’a bụ ọzi Jizọs.

Dịka nwa amụrụ ọhụrụ ‘ọnye kwere ekwe’, ọ dị ezigbọ mkpa ka ị malite ịgụ Akwụkwọ Nsọ kwa ụbọchị, na isọ Jizọs na etinye nkeji ọ le na ọ le n'ekpere. Ọ dịkwa mkpa n'ezie na ị sọ nyere ezigbọ ọgbakọ Ndị Kraịst, ka i wee tọ ọ n'ọkwukwe gị na nkwadọ nke ndị kwere ekwe ndị ọzọ.

Ọ bụrụ na ịnweghị Akwukwo Nso, m na atụ arọ ka ịchọta ọtu ị ga azụta ma ọ bụ gbaziri. Chọọ n'ịntanetị ma ọ bụ n'ụlọ ahịa akwụkwọ.

Ihe’m na eme bụ ịgụ ọtu isi akwụkwọ kwa ụbọchị. I nwere ike bidọ na akwụkwọ LUK, wee gaa n'ihu na-agụ…

Chọta ezigbọ ụlọ ụka a tụkwasịrị ọbi. Kpee ekpere ma rịọ Ọnye nweanyị Jizọs ka ọ duzie gị na mkpebi a. Rịọ maka ụka ntụnye sitere n'aka ọnye Kraịst nke ị maara na ntụkwasị ọbi. Gbaa mbọ hụ na ịga ụka ọtu ugbọ rọ n'izu bụ ihe kacha mkpa, ‘aja’ nke ọ nye onye nyeanyi. Ị nwere ike ịgbanwe ihe ụfọdụ na nhazi ọge gị, na ọbụna na egọ gị, ka nke a mee. Onye nyeanyi ga asọpụrụ gị maka nke a!

Ọ ga amasị’m ịnụ n'ọnụ gị! Ọ bụrụ na i meela nzọụkwụ nke ọkwukwe, site na webụsaịtị m dị na ibe na esọ nụ, zitere’m ọzi wee mee ka m mara. M’ ga esọ gị nwụrịa ọṅụ, na ekpekwa ekpere maka gị!

Gọzie gị, nwannem nwọke, nwannem nwanyị! Ruọ mgbe anyị zutere ọnwe anyị n'ọnwe - na nnọkọ ezinụlọ! -Chineke gọzie, chebe ma na mee gị nke ọma n'aha Jizọs!

Maka akụrụngwa ndị ọzọ, bikọ gaa na webụsaịtị'm n'ọkpuru:
**www.1peter1three.weebly.com**

***'Ọnye Nweanyi gọzie unu, debekwa unu; Onye nweanyi mee ka iru Ya nwue n'aru gị, me kwa ra gị amara; Onye nweanyi chigharia iru Ya n'aru gị, nye kwa gị udọ .'****Ọnụ Ọgụgụ 6:24-26*

*Atụnyere aka n'akwụkwọ Nsọ:*

***Chineke na arịọ anyị ka anyị bịakwute ya:*** 2 Ndị Kọrinth 5:20
***Ịmara nanị Kraịst, Akwụkwọ Nsọ ya, Mmụọ Ya:*** 1 Ndị Kọrinth 2:2-3
***N'ike mmụọ nsọ na ijikwa akwụkwọ nsọ:*** Ndị Hibru 4:12/Jeremaia 29:13 (leekwa Matiu 4:1-11 & 2 Ndi kọrinth 4:2)
***Ndị na ede akwụkwọ na agụghị akwụkwọ:*** Ọrụ 4:13

***Jizọs pụtara, ¹ọnyenwe anyị na-azọpụta:*** Matiu 1:21
***Jizọs dịka Chineke n'ụdị mmadụ:*** Aisaia 7:14/Matiu 1:23; Aisaia 9:6;Jon 1:1-5,9,14; Jọn 8:58/ Ọpụpụ 3:14; Jọn 10:30; Jọn 14:9; Jọn 9:38/Matiu 14:33/ Ọpụpụ 20:5; Jọn 5:46; Ndị Kọlọsi 1:15-20; Ndị Hibru 1:3; Ndị Filipaị 2:6-11; Zekaraya 14:9/ Ọrụ 4:12; Mkpughe 1:13-18

***Ebụmnuche Jizọs ịgbaghara mmehie na inye ndụ ebighị ebi:***
Luk 5:24; Jọn 11:25-26; Jọn 4:13-14

***Mkpughe, agaghị ekwe ọ mume ịghọta!:***
Jọn 6:37, 65; Matiu 16:16-18; Ndị Rọme 11:33-36; Aịzaya 55:8-9; Abụ Ọma 36:9; 2 Ndị Kọrịnt 4:6; Jọn 4:24 na Jọn 6:63

***Ọkwukwe na Kraịst:*** Jọn 7:37-38; Jọn 11:25-26; Jọn 9:35; Matiu 11:28-30; Luk 5:24; Luk 10:20; Jọn 10:9; Jọn 5:39-40; Jọn 15:13-15

***Ịhụ abụghị ikwere:*** Jọn 11:45,53; Matiu 26:56; Marki 15:25 (9 n'ututu) Jọn 20:29; 2 Ndị Kọrịnth 4:6; 2 Ndị Kọrịnth 5:7; 1 Jọn 3:2; 1 Ndị Kọrịnth 13:12

***Chineke hụrụ mmadụ ni'ile n'anya nha anya!:*** 2 Pita 3:9; 1 Timọti 2:4; Matiu 18:14; Jọn 3:16

***Ọ fufe nke Kraịst na nju nke Kraịst:***
Jọn 9:38; Matiu 14:33; Jọn 10:20; 2 Ndị Kọrịnth 5:16

***Nkpughe miri emi na nke dị jụụ:***
Matiu 16:20; Marki 1:24,34,44; Marki 4:11; Aịzaya 6:9; 2 Ndị Kọrịnth 5:16; Abụ Ọma 42:7; Matiu 13:44

***Ọbara na nnwere ọnwe n'ime Kraịst:*** Aịzaya 1:18; Abụ Ọma 25:15; 2 Ndị Kọrịnt 5:17; Ndị Galeshia 2:20; Luk 4:18/ Aịzaya 61:1; Aịzaya 42:3; 2 Ihe Mere 7:14; 2 Ndị Kọrịnt 5:21; Ndị Hibru 9:22; Ndị Hibru 12:24 Mmụọ: Jọn 14:1-4; Mkpughe 1:13-18; 1 Ndị Kọrịnt 13:12; Jọn 14:17,26,28

***Ịkpọ ọku na ndụ ọhụrụ:*** Ndị Efesọs 1:13-14; Ndị Kọlọsi 1:27; Ilu 4:18; Jọn 5:24; Mak 1:15; Matiu 3:8; Ọrụ 3:19; Ndị Rọ m 10:9; Luk 10:20; 2 Ndị Kọrịnt 5:17; Ndi Hibru 10:25; Abụ Ọma 1; Jọshua 1:9; Ndi Hibru 4:12/2 Timọti 3:16